JW.ORG™
Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya

Ihe Mere Ndị Ekpenta Ji Chọọ Ka A Gwọọ Ha

Ị ga-ahụ okwu ahụ bụ́ ekpenta ọtụtụ ugboro na Baịbụl. (2 Ndị Eze 5:1; Luk 5:12-14) Gịnị bụ ekpenta? Olee ihe mere ọ ji agụsi ndị ekpenta ike ka a gwọọ ha?

Gị na ndị ezinụlọ unu mụọ banyere ọrịa Baịbụl kpọrọ ekpenta ka unu matakwuo ya. Unu nwere ike iji *Ụlọ Nche* Febụwarị 1, 2009, peeji nke 19 mụọ ya (unu ga-ahụkwa ya ma unu gaa na jw.org/ig, pịa ebe e dere IHE NDỊ ANYỊ NWERE, pịzie ebe e dere ỌBÁ AKWỤKWỌ.) Unu nwekwara ike iji akwụkwọ anyị ọ bụla ọzọ unu nwere mata gbasara ọrịa a.

Onye Izrel ọ bụla a gwọrọ ekpenta nwere ihe ọ ga-eme tupu ya ebiriwekwa n'ebe ndị mmadụ bi. Gụọnụ Levitikọs 14:2, 4, 8, 10, 20. Unu gụchaa ya, deenụ nọmba na foto ndị e sere n'okpuru ebe a. Nọmba nke mbụ ga-adị na foto na-egosi ihe mbụ onye ahụ a gwọrọ ekpenta ga-eme. Nke abụọ ga-adịkwa n'ihe nke abụọ ọ ga-eme. Otú ahụ ka unu ga-esi eme ya ruo na nke ise.



▶ **LEZIENỤ IHE UNU GA-EME:** Gụọnụ Luk 5: 12-15 ka unu hụ otú Jizọs si gwọọ otu onye ekpenta. Depụtanụ aha ndị unu ma ahụ́ na-arịasi ike. Kwurịtakwanụ otú unu nwere ike isi meere ndị ọzọ ihe ọma ka Jizọs.

Azịza: **1.** A ga-akpọrọ onye ekpenta e mere ka ọ dị ọcha bịakwute onye nchụàjà. **2.** Ọ ga-ewẹta nnụnụ abụọ. **3.** Ọ ga-asụ uwe ya. **4.** Ọ ga-ewẹta ụmụ ebule abụọ na otu nwa atụrụ. **5.** Onye nchụàjà ga-achụ àjà.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania